NTỤLEKỌRỊTA NDỊICHE DỊ N'ETITI ỌDỊDỊ ABỤ ỌTITO NA ABỤ NKỌCHA ỤFỌDỤ

Ogochukwu Roseline Ifeka
Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, University, Igbariam Campus
ogochukwuifeka@gmail.com

na

Chidurumije Nebolisa
Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, University, Igbariam Campus
Durumije@gmail.com

Umi

Nchọcha a bụ maka ịtụlekọrịta ndịiche dị n'etiti ọdịdị abụ otito na abụ nkọcha. E mere nke a site n'ileba anya n'abụ isii ndị a họọrọ site n'*Izunwanne* nke Ifeka O. R., Nsolibe O. T. na Ezechukwu T. chikọtara na *Akpa Uche* nke R. M. Ekechukwu chịkọtara. Ụdịdị nchọcha a bụ nchọcha nkọwa n'ihi na ọ bụ usoro ga-enyere anyị aka ịghọta nke ọma etu ihe si kwụrụ. Nchọpụta gosiri na ihe abụ otito ndị a họọrọ ji bụrụ abụ otito bụ maka na ha na-eto mmadụ ma ọ bụ ihe nkịtị maka ihe ọma ha mere ma ọ bụ ọdịdị ha. Ebe abụ ikpe ndị a họọrọ bụ abụ ikpe n'ihi na ha na-akọtọ ajọ ihe niile mmadụ na-eme n'obodo iji mee ka e nwee mgbanwe n'obodo. Ebe ha yitere onwe ha bụ na abụ isii ndị a họọrọ nwegasịrị echiche miri emi na ihe ha na-akụziri ọha na eze. A tụrụ anya na nchọcha a ga-eme ka ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'ebe abụ ederede Igbo dị.

Ọkpụrụkpụ okwu: Agụmagụ, Abụ, Abụ Nkọcha, Abụ Otito

Abstract

This research is a comparative study of the differences between the structure of panegyric and satirical poems. This is done by looking at six poems selected from *Izunwanne* by O. R. Ifeka, O. T. Nsolibe and T. Ezechukwu and *Akpa Uche* by R. M. Ekechukwu. The type of research carried out is descriptive because it will help us understand how things are. Findings show that the selected panegyric poems are praise poems because they are used to humans or things because of what they did or their attributes. Whereas selected satirical poems are satire because they criticise every evil done by man in the society in order to bring change in the society. They are similar in that they deep meaning and lessons for the public. It is expected that this research will make teachers and students develop interest in written Igbo poetry.

Key words: Literature, Poem, Satire, Praise Poem

1.0 Ndubanye

Agụmagụ bụ echiche miri emi mmadụ chere gbasara isi okwu ọ bụla e jiri asụsụ nka kọwapụta. Ọ bụ ihe niile e dere ede ma ọ bụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo ma ọ bụ n'otu oge. Agụmagụ Igbo nwere ngalaba atọ, ndị gunyere; Akụkọ, Ejije na Abụ. N'ime ngalaba atọ agụmagụ nwere, abụ so n'ime ya. E nwekwara ụdị abụ abụọ, abụ ọdịnala na abụ ederede ma ọ bụ abụ ugbu a. Mana, ebe nchọcha a na-agbakwasị ụkwụ bụ n'**Abụ Ederede Igbo.** Abụ ederede Igbo bụ abụ mmadụ chepụtara n'uche ya ma were asụsụ nke dị mma hazie ya ma depụta ya n'akwụkwọ. N'ụdị abụ a, a mara onye dere ya, afọ e bipụtara ya nakwa akwụkwọ ọ dị na ya. Ebumnoobi nwa nchọcha n'ide nchọcha a gụnyere: (a) itule ma wepụta mmewere ọdịdị abụ otito na abụ nkọcha sitere n'abụ ndị a họọrọ; (b) izipụta n'uju ndịiche na myiri dị n'etiti ọdịdị abụ otito na abụ nkọcha a họọrọ; (c) isite na nchọcha a gbaa n'anwụ ọnọdụ abụ nkọcha na abụ otito n'obodo

Nkọwa Abụ

Abụ bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ na-ejikarị enyookwu ma ọ bụ mbunuche na ndanusoro arụ ọrụ. Ọ bụ eziokwu na a na-ede abụ n'ọgbara n'ọgbara, ma ọ bụchaghị nke a bụ ihe na-emebe abụ, ọ bụ asụsụ e jiri dee ya. Nwadike (1982) na nkọwa na mgbe ụfọdụ, ọ na-agbagwoju ụmụ akwụkwọ anya tụmadị ndị bịara ọhụrụ ịma ihe abụ bụ. Ụfọdụ na-aghọta ya na ọ bụ ukwe ha na-ekwe n'ụlọ ụka. Ukwe a na-ekwe n'ụlọ ụka bụ abụ, nke mmadụ dere etu o si metụta ya na mmụọ n'ebe ihe kere ya nọ, tupu a bịa tinye ya n'ụdị a na-ekwe ekwe. Otu a ka abụ dị iche iche sikwa dịrị, ndị na-egosi uche n'ebe ihe dị iche iche dị.

Ifeka (2014), na nkụzi ya gbasara abụ, kọwara sị na abụ bụ ụdị agụmagụ jupụtara na nka nke mmadụ ji ezipụta ihe e kere eke ma ọ bụ ihe na-eme na ndụ…..abụ na-eji asụsụ dị elu egosị ọnụ, iwe, obi ọjọọ, akwa ime obi dịka odee na-ede ya.
Nkọwa Ifeka na-egosi na a na-eji abụ akọwa ndụ na ihe ndị na-emegasị n'ụwa. Ọ gakwara n'ihu ịkọwa na odee abụ na-ejikarị asụsụ dị elu egosipụta ọnụ, iwe, obi ọjọọ na akwa ime obi. Nke a na-egosi na abụ na-akọwa ndụ ma bụrụkwa agụmagụ asụsụ ya anaghị adịcha mfe nghọta.
Na nkọwa ya ọzọ, Ifeka (2009), na-ahụta abụ dị ka ihe odide na ọgụgụ si n'uche pụta nke e dere n'akwụkwọ ma ọ bụ gụọ n'ụzọ dị mkpirisi ma ọ bụ nke na-akọwa echiche dị omimi nke e tinyere n'asụsụ enweghị atụ iji gosi ihe mere eme ma ọ bụ nke a na-atụ anya ga-eme.

Nkọwa Abụ Otito

Abụ otito bụ ụdị abụ a na-esite na ya enye Chineke, mmadụ ma ọ bụ ihe ọ bụla Chineke kere eke dị n'ụwa otito ma ọ bụ ezi ekele maka ike ọ kpara, ma ọ bụ ọrụ ọma ọ rụrụ. Ndị ụka na-eji abụ otito wee na-akpọku Chineke n'ihe ọma niile o meere ha. Etu ahụkwa ka ndị ọdịnala si eji abụ otito akpọku ma na-eto ndị nna nna ha (ndịichie) kpara ike wee nwụọ, iji mee ka ha na-enwe obi ụtọ n'ebe ha nọ. E jikwa abụ otito eto Dike, onye mara mma ahụ, onye tuuru ugo, onye a na-esi n'aka ya enweta ihe ọma dị iche iche. Finnegan (1970), na-akọwa abụ otito dị ka ụdị abụ e ji eto agwa mmadụ, ọnọdụ mmadụ n'ime obodo, na akụkọ ndụ ya. Ọ bụ udị abụ a na-eji ekele mmadụ maọbụ chi, karịsịa ndị nwere ọkwa. Abụ otito na-egosipụta obi ekele, ikike, na ihe mmadụ mepụtara. Emenanjo (1973), na-akọwa abụ otito dị ka akụkụ dị mkpa n'agụmagụ Igbo, nke na-ejikọta ọdịbendị, asụsụ, na omenaala. N'akwụkwọ ya banyere asụsụ na omenaala Igbo, o gosipụtara otu abụ otito si bụrụ ụzọ e si ekele ndị Dike na ndị nwere ọkwa n'obodo. Andah (1973), na-akọwa na abụ otito bụ ihe dị n'ime ọdịbendị mmadụ, ọ na-ejikọ ihe ndabere akụkọ, egwu na

okwu. Ọ kọwara ya dị ka ụzọ e ji eme mmemme ndị eze, nchịkọta akụkọ, na nkwanye ugwu nye ndị isi ọchịchị. Abụ otito na-enye aka ime ka ọdịnaala dị ndụ. Akporobaro (2006), na-akọwa na abụ otito na-abụkarị asụsụ dị icheiche e ji akọwa agwa maọbụ omume mmadụ. Ọ bụkwa ụdị abụ e ji ekele onye dị mkpa n'obodo. Ọ bụ ihe e ji akụziri ụmụaka banyere akparamagwa ọma n'obodo.

Nkọwa Abụ Nkọcha

Abụ nkọcha bụ ụdị abụ na-akọcha ihe dị njọ, dị ka ajọ omume maọbụ omume ọjọọ, nrafu, aghụghọ, arụrụala, nzuzu, ịgba asịrị na ihe ndị ọzọ na-adịghị mma ụmụ mmadụ na-eme. Oge ụfọdụ, a na-esite n'ikpe katọọ ihe ọjọọ mmadụ na-eme n'emeghị ka onye ahụ mata kpọmkwem na a na-akọcha ya, ma n'agbanyeghị na onye ahụ achọpụtara ihe merenụ. Nwadike (2003), na-akọwa na nkọcha bụ nkọrọmọọnụ nke e sitere n'ụzọ egwu na amụ, ekwuechezọ, akaje, emu, mkparị na oyiri ha ndị ọzọ wee na-akatọ maọbụ na-agba n'anwụ, ajọ ihe na ajọ omume na nzuzu. Ekwealor (2009), na-akọwa abụ nkọcha dị ka ụdị abụ e ji akatọ ihe ọjọọ dị iche na ndụ mmadụ ma ọ bụ n'etiti ọha na eze. Ọ kọwara na ọrụ abụ ndị a na-abụkarị ịhazi ndụ ụmụ mmadu site n'ịgba agwa ọjọọ n'anwụ.
N'echiche nke ya, Emenanjọ (2006), na-akọwa na, a na-eji abụ nkọcha akọtọ ajọ ihe dị ka omume ọjọọ, nrafu, aghụghọ, arụrụala, nzuzu, ịgba asịrị, na ihe ndị ọzọ na-adịghị mma ụmụ mmadu na-eme. Ifeka (2009) n'echiche ya, na-asị na abụ nkọcha bụ abụ na-akọcha agwa na omume rere ure, mmadụ ọjọọ, ọdịdị ọjọọ, dgz.

2.0 Usoro Nchọcha

N'ebe a, nwa nchọcha kọwapụtara ụzọ e si mee nchọcha a, ebe a nọrọ mee ya, ihe ndị o ji mee nchọcha, ngwaọrụ ndị nyeere ya aka, ya na usoro nyeere ya aka ime nchọcha ya. Nwa nchọcha gosipụtakwara usoro dị iche iche ọ gbasoro mee nchọcha ya na ka o si zipụta ihe ndị ọ chọpụtara. Nwa nchọcha gbasoro usoro ndị a wee mee nchọcha ya dị ka usoro ọhụụ maọbụ usoro Fọmalist nke nwa nchọcha ji mee nchọcha ya siri tụzie aka site n'ịlebanye anya n'ihe ndị a;
a). Ọdịdị/Ndịna Agụmagụ.
b). Atụmatụokwu.
ch). Asụsụ/Nhọokwu.

Nchọcha nwanchọcha mere bụ nchọcha ntule n'ihi na, ọ bụ usoro a gbasoro n'ime nchọcha maka na anyị mere nchọcha gbasara ụzọ ihe abụọ maọbụ karịa. N'usoro ntụle a, onye nchọcha bugodu ụzọ mee ezigbo nnyocha nyere ya ezigbo mmụta ime ezigbo nkọwa maka ụzọ ihe olenaole ọ chọrọ ịtụle. Usoro a nyeere nwanchọcha aka ime nchọcha n'isiokwu a kpụ n'ọnụ n'ihi na, nwanchọcha tụrụsiri ọkpụrụkpụ ihe ndị pụtara ihe na nchọcha a n'ụzọ dị mfe nke ga-ekwe onye ọ bụla nghọta. Ọrụ niile nwanchọcha rụrụ bụ ọrụ nnyocha na ntụle.

d. Atụtụ Nchọcha

Atụtụ Fọmalist maọbụ Usoro Nnyocha Ọhụrụ, ka nwa nchọcha ga-eji mee nchọcha ma zipụta mpụtara ga-edo anya n'ụdị ga-enye aka n'ozuzu wee mee ezi nkọwasị nke mkpebi banyere isiokwu a

.

Atụtụ Fọmalizim: Nke a ka kpọrọ usoro nnyocha ọhụrụ ma ọ bụ Rọshịan fọmalizim. Usoro atụtụ a malitere nke ọma n'afọ 1920 n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Vanderbill nke dị na Nashville, U.S.A. Atụtụ a sitere na mkparịtaụka John Crowen Ransom, Robert Penn Warren, Allen Talle, Cleanth

Brooks na ndị ọzọ nwere mmasị ịbịakọta ọnụ ikwu ihe banyere agụmagụ. Ihe dịka n'ime afọ atọ, ha bipụtara akwụkwọ agụmagụ magazin a kpọrọ 'The Fugitive'. Ọ bụghị naanị nke metụtara ha, kama ọrụ na echiche ndị ntụ atụtụ (theorists) ndị mba ọzọ kwalitere ya, ndị dịka; T.S. Eliot, J.A. Richard na William Empson. Ha bidoro wepụtawa echiche ha gbasara etu e si agụ agụmagụ nke bụ site n'ịgụ agụmagụ nke ọma, ugboro ugboro, tupu a ghọta ya nke ọma. Ndị otu a na-enyocha agụmagụ karịsịa abụ site n'ịlebanye anya n'ọdịdị/ndịna agụmagụ, atụmatụ okwu na asụsụ/nhọokwu.

2.0 Ntụleharị Agụmagụ

N'ebe ka nwa nchọcha ga-anọ kwupụta echiche ndị ode dere gbasara agụmagụ.

2.1 Agụmagụ

Agụmagụ dị ka okwu e nwetara site n'okwu latịn, nke pụtara "Litera", nwere nghọta gbara ụzọ abụọ. Nghọta ya na-arụtụ aka n'ọrụ nka ma na-akọwapụta etu mmadụ si ewepụta echiche gbasara obibi ndụ ya ma kwupụta ya. Obiechina (1990), na-akọwa na agbụrụ ịnwe agụmagụ bụ ihe kewara mmadụ na ụmụ anụmanụ. Ogbalu (1972), na nkọwa nke ya na-ekwu na agụmagụ ọdịnala na nke ugbua bụ nke e jiri nka pụrụ iche dee ma zipụta n'asụsụ Igbo. Ifeka (2015), na nkọwa ya na-ekwu na agụmagụ bụ nka sitere n'echiche, hiwe isi n'oge na n'ebe ihe mere, maka ebimndụ na akparamagwa. Nwadike (2003), na-enye nkọwa nke ya gbasara agụmagụ na-ekwu na agụmagụ bụ ọrụ nka, nke e sitere n'anya wee na-akọwapụta ma na-ahụ ndụ.

2.2 Ịkọwa ihe bụ Abụ Otito

Abụ otito bụ ụdị abụ a na-esite na ya enye Chineke, mmadụ ma ọ bụ ihe ọ bụla Chineke kere eke dị n'ụwa otito ma ọ bụ ezi ekele maka ike ọ kpara, ma ọ bụ ọrụ ọma ọ rụrụ. Ndị ụka na-eji abụ otito wee na-akpọku Chineke n'ihe ọma niile o meere ha. Etu ahụkwa ka ndị ọdịnala si eji abụ otito akpọku ma na-eto ndị nna nna ha (ndịichie) kpara ike wee nwụọ, iji mee ka ha na-enwe obi ụtọ n'ebe ha nọ. E jikwa abụ otito eto Dike, onye mara mma ahụ, onye tuuru ugo, onye a na-esi n'aka ya enweta ihe ọma dị iche iche. Finnegan (1970), na-akọwa abụ otito dị ka ụdị abụ e ji eto agwa mmadụ, ọnọdụ mmadụ n'ime obodo, na akụkọ ndụ ya. Ọ bụ udị abụ a na-eji ekele mmadụ maọbụ chi, karịsịa ndị nwere ọkwa. Abụ otito na-egosipụta obi ekele, ikike, na ihe mmadụ mepụtara. Emenanjo (1973), na-akọwa abụ otito dị ka akụkụ dị mkpa n'agụmagụ Igbo, nke na-ejikọta ọdịbendị, asụsụ, na omenaala. N'akwụkwọ ya banyere asụsụ na omenaala Igbo, o gosipụtara otu abụ otito si bụrụ ụzọ e si ekele ndị Dike na ndị nwere ọkwa n'obodo. Andah (1973), na-akọwa na abụ otito bụ ihe dị n'ime ọdịbendị mmadụ, ọ na-ejikọ ihe ndabere akụkọ, egwu na okwu. Ọ kọwara ya dị ka ụzọ e ji eme mmemme ndị eze, nchịkọta akụkọ, na nkwanye ugwu nye ndị isi ọchịchị. Abụ otito na-enye aka ime ka ọdịnaala dị ndụ. Akporobaro (2006), na-akọwa na abụ otito na-abụkarị asụsụ dị iche iche e ji akọwa agwa maọbụ omume mmadụ. Ọ bụkwa ụdị abụ e ji ekele onye dị mkpa n'obodo. Ọ bụ ihe e ji akụziri ụmụaka banyere akparamagwa ọma n'obodo.

2.3 Ịkọwa ihe bụ Abụ Nkọcha

Abụ nkọcha bụ ụdị abụ na-akọcha ihe dị njọ, dị ka ajọ omume maọbụ omume ọjọọ, nrafu, aghụghọ, arụrụala, nzuzu, ịgba asịrị na ihe ndị ọzọ na-adịghị mma ụmụ mmadụ na-eme. Oge ụfọdụ, a na-esite n'ikpe katọọ ihe ọjọọ mmadụ na-eme n'emeghị ka onye ahụ mata kpọmkwem na a na-akọcha ya, ma n'agbanyeghị na onye ahụ achọpụtara ihe merenụ. Nwadike (2003), na-akọwa na nkọcha bụ nkọrọmọọnụ nke e sitere n'ụzọ egwu na amụ, ekwuechezọ, akaje, emu, mkparị na oyiri ha ndị ọzọ wee na-akatọ maọbụ na-agba n'anwụ, ajọ ihe na ajọ omume na nzuzu. Ekwealor (2009), na-akọwa abụ nkọcha dị ka ụdị abụ e ji akatọ ihe ọjọọ dị iche na ndụ mmadụ ma ọ bụ n'etiti ọha na eze. Ọ kọwara na ọrụ abụ ndị a na-abụkarị ịhazi ndụ ụmụ mmadu site n'ịgba agwa ọjọọ n'anwụ. N'echiche nke ya, Emenanjọ (2006), na-akọwa na, a na-eji abụ nkọcha akọtọ ajọ ihe dị ka omume ọjọọ, nrafu, aghụghọ, arụrụala, nzuzu, ịgba asịrị, na ihe ndị ọzọ na-adịghị mma ụmụ mmadu na-eme. Ifeka (2009) n'echiche ya, na-asị na abụ nkọcha bụ abụ na-akọcha agwa na omume rere ure, mmadụ ọjọọ, ọdịdị ọjọọ, dgz.

2.4 Myiri Dị n'Etiti Odịdị Abụ Otito na Abụ Nkocha Site n'Abụ Ndị A Họọrọ.

a). Site n'abụ otito na abụ ikpe ndị a họọrọ, ha abụọ nwere abụ ekereuche n'ime ya dị ka ọ dị n'abụ "Adamma" nke sitere n'akwụkwọ abụ "Akpa Uche" na "Meere M Na Ndụ" nke sitere n'akwụkwọ abụ "Izunwanne".

b). Abụ otito na abụ ikpe ndị a họọrọ nwere nka abụ ederede dị icheiche dị ka; olu, muudu, akanka, nhọọkwụ, asụsụ, ụda, enyọọkwụ na atụmatụokwu dị iche iche.
ch). Abụ otito na abụ ikpe ndị a họọrọ nwegasịrị echiche miri emi na ihe ha na-akụziri ọha na eze.

2.5 Ndịiche Dị n'Etiti Ọdịdị Abụ Otito na Abụ Nkọcha Site n'Abụ Ndị A Họọrọ

a). N'abụ ndị a họọrọ, "Ọnwa M", "Adamma" na "Atịlọgwụ" bụ abụ otito n'ihi na ha na-eto ihe ma ọ bụ mmadụ maka ihe oma ha nwegasịrị. Mana abụ "iri Ekpe", "Meere M Na Ndụ" na "Ọchịchị bụ abụ nkọcha n'ihi na, ha na-akọtọ ajọ ihe niile mmadụ na-eme n'obodo, ụlọ ọrụ, ụlọ, wdg. Iji mee ka e nwee mgbanwe n'obodo.

b). Olu e ji edekarị abụ otito na-abụkarị olu mmasị, nsọpụrụ, na ịdị mma n'ebe eziokwu dị, iji kwalite ma kpalie mmụọ ọgụụ ma ọ bụ onye na-ege ya. Mana abụ ikpe dịgasị N'abụ ndị a họọrọ bụ olu ịkwa emo na mkparị, iji katọọ ajọ ihe ma ọ bụ agwa ọjọọ na-eme n'ọha obodo.

Ch). Abụ otito na-elekwasịkarị anya n'isi okwu dị ka; ndị ama ama, ndị Dike, ndị isi, chi, ezigbo mmadụ, ihe e kere eke na ihe e ji egosipụta ihe ọma ma ọ bụ agwa ọma dịgasị iche iche. Mana, abụ ikpe na-elekwasịkarị anya n'isi okwu dị iche iche dị ka; ndọrọndọrọ ọchịchị, iri ekpe, okpukperechi, omume ọjọọ mmadụ na-eme na-adịghị mma nke obodo na-agbarụrụ ihu, wdg.

3.0 Ntụle Abụ Ndị a Họọrọ

Ebe a ka nwa nchọcha ga-anọ tụlee ọdịdị abụ dị n'Izunwanne na nke dị n'Akpa Uche.

3.1 Itụle Ọdịdị Abụ Dị n'Izunwanne:

a). "Iri Ekpe" Nsolibe (2010 pg 34)

Nwa nnadi
ọnya dị n'imi
gịnị na-erekpọ gị anya?
I ji ata abacha arọ akpụ anya.

Onye nọ be gị
mma ezi na ụlọ tụrụ gị ahụ
i nwere ebu nwee mfụ
ma bụrụ afọ eju ala.
ọ bata ụlọ m ọ gụkọwa
onye anya ukwu
i meminaa onye gị lụọ nwunye ya
O zuolanụ?

Ọ nya akpa eli ozu
nwaanyị ahụ i tinyeere nke gị
ụmụ nwaanyị ka gbọrọ kasa
ụlọ elu ị na-ehifọrọ ụra
iga-ebi n'ala biri n'elu
ala ahụ I ritere
ala ka makpu amakpu
Ihe ụwa ezubeghịkwa

Were nwayọọ
ụwa na-awa awa
jiri ya jee jee
Ka ofe rọrọ arọ zuoro gị nri

Ịna-aza Nkemdịrịm
ma chọọ ka nke onye ọzọ fuo
ịna-aza Ahamefuna
ma chọọ ka ama onye ọzọ chie
ọ ma taa amaghị echi
Iga-alakwa, ihe ụwa atọgbọrọ

Abụ a nwere nkebi abụ ise na ahịrịabụ iri atọ. Nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrị abụ anọ, nke abụọ nwere ahịrịabụ asatọ, nke atọ nwere ahịrịabụ asatọ, nke anọ nwere ahịrịabụ anọ, ebe nkebiabụ nke ise nwere ahịrịabụ isii.

Ode abụ si n'ụzọ ikpe na-akatọ ajọ omume, anya ukwu na enweghị afọ ojuju n'ihe mmadụ nwere. N'abụ a, nwa nnadị a kpọrọ aha na mbịdọ abụ a nọchitere anya ndị na-enwe anya ukwu n'ihe nwanne ha nwere n'ọha obodo.

b). "Meere M Na Ndụ" Nsolibe (2010 pg 33)

Gịnị, mere I meere m na ndụ?
mgbe gbamgbam m bụ atanị
mgbe ọnụ m bụ opi
mgbe ahụhụ bụụrụ m uru
Mgbe mmadụ abụghị ogwe ojoko.

Ahụhụ egbuola m
ụlọ kwuru n'ama m
nri abụrụla sụkapụm
ehi neeri eliirila m
ọ na-azụ na ahịọ
Ọfala m n'ozu.

Nwanne ka anyị bụ,
etu akị gbara mkpị si bụrụ,
maka ha bi n'otu ụlọ,
ma ichere bụ ọgbatuhie.
Ụdị nwanne a ka anyị bụ.

Nwanne m bụ eze
agụụ a na-anyụcha m anya
ọ chọrọ ngwuru
mmiri na-ehigbu m
Nwanne mkpị aka.

Nwanne m na-efepụ efepụ
a nara ntụoyi n'ụlọ ọrụ ya
anwụ a na-eti m ịgba n'ọma
akụwasara akwa n'ahụ
Ahụ akpịrịkpa azụ.

Ụmụ ya na-etinyere ụmụ m
ebe ụmụ m bụ ụmụ okpuru
ha na-eri ozu enyi
ebe ụmụ m na-ata akụ
Ewoo! Ikwu m sọọ.

Abụ a nwere nkebiabụ isii na ahịrịabụ iri atọ na otu. Nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ ise, nke abụọ nwere ahịrịabụ isii, nke atọ nwere ahịrịabụ ise, nke anọ nwere ahịrịabụ ise, nkebiabụ nke ise nwere ahịrịabụ ise, ebe nkebiabu nke isii nwere ahịrịabụ ise.

Ebumnobi ode abụ bụ iji abụ ya gbaa n'anwụ ụdị ndụ ụfọdụ mmadụ na-ebi na ụdị agwa na-adịghị mma nke ha na-akpa. Ya bụ, ode abụ jị abụ ya agwa ọha na eze ka ha meere mmadụ ibe ha ihe ọbụla ha chọrọ imere onye ahụ mgbe ọ dị ndụ, ọ bụghị imere ya onye ahụ n'ọnwụ.

ch). "Ọchịchị" Ifeka (2010 pg 59)

A sị na ọ bụ onye kwuo uche ya
ndị kwuru uche ha, anya ahụghị ha
ndị nọ n'iyi ma were asọ na-asa ihu
ha sị na ihe ga-adị mma
ma ugbu a, ọ bụghị otu akụ ilu si ada
Ka o si atọ

Nke ugbu a adịghị ọkụkọ
onye anọghị nso ga-eche na ọ dị mma
mgbe ọ na-ege redio na televishọn
Ụzọ niile dizi ka ebe a gbara uta

Mmiri pọmpụ na-agba esepụghị aka
garị bụzi atụrụ tawa
mmanụ ụgbọala adaala n'ọnụ ahịa
ụgwọ akwụkwọ bụzi n'efu.
Nke ugbu a dị egwu!

Nke ugbu a bụzi mmekpu
onye ya ma nwanne ya kpọrọ
niihi ụkwụ egwu adagharịala
a na-eke ego ịlaghachi azụ
maka ịbịa chịbakwa onye?
ego otu nwaanyị akwụna
na-esogharị ya, na-eti mkpu ọchịchị
bụ ụgwọ ọnwa ndị nkụzi mahadum
mmadụ ise ka ọ na-eri kwa izu
Nke ugbu a dị egwu!

Naanị mmetụta o nwere bụ
ka ọ bịaghachi ọzọ chịwa anyị
ha sị na ọ bụrị ọgaranya
nwee ọtụtụ ego
biko gwanụ ya
o nwee ihe o chezọrọ
n'obi Gọọment
ya gaa weghara ya
na ọchịchị ya ejula
Ma mmụọ na mmadụ afọ.

Abụ a nwere nkebiabụ anọ na ahịrịabụ iri atọ na ise. Nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ isii, nkebiabụ nke abụọ nwere ahịrịabụ itoolu, nkebiabụ nke atọ nwere ahịrịabụ iri, nkebiabụ nke anọ nwere ahịrịabụ iri.
Abụ a bụ abụ ikpe n'ihi na ode abụ ji abụ a wee na-akọtọ ajọ agwa ndị nọ n'ọchịchị na ndị na-azọ ọkwa ọchịchị na-akpa.
Ode abụ jikwa ụzọ ikpe akọwapụta agwa ọjọọ ndị nọ n'ọchịchị na-akpa, ka ha na-esi eji ego achọ ịlaghachi azụ bịa chịwakwa ọzọ, Ode abụ wee na-eti sị onye ma nwanne ya kpọrọ ya n'ihi na ụkwụ egwu adagharịala.

3.2 Itụle Ọdịdị Abụ Dị n'Akpa Uche - Ekechukwu R.M (Editọ)

a). "Ọnwa M" Maduekwe J. C. (1986 pg 7)

Lee ọnwa ahụ;
ọ pụtakwa.
n'ote aka
ka ọ nọ ugbu a,
ma ọ ga-eso m;
ọnwa m.
Ọnwa m ka ọ bụ.

Abụ a nwere otu nkebiabụ, ebe ahịrịabụ ya dị asatọ. Abụ a bụ abụ otito n'ihi na ode abụ ji abụ ya wee na-eto ọnwa. Ode abụ na-akọwapụta na ọnwa bụ ọnwa ya, wee na-asị na ọnwa apụtala mana ọ ka nọ ebe tere aka mana, n'oge adighị anya na ọ ga-anọ ya nso, na ọ ga-achọta ya n'ihi na ọnwa ya na-ezi ya ụzọ ebe ọ bụla ọ na-aga.

b). "Adamma" Ajaegbu C. W. O. (1986 pg 19)

Otu nwaanyị m hụrụ taa
aha ya bụ Adamma;
Adamma mara mma nke ukwuu,
Guzoro kwekem

Adamma toro ogologo
ọ bụ asaawa e ji ama atụ;
ahụ ya niile na-eme pokopoko,
Ahịrị isi ya dị yọrịi

Imi ya dị warawara,
anya ya na-eke rịrịrị;
eze ya na-enwu dị ka ọgwa,
Mkpịsị aka ya dị sam.

Adamma bitụrụ mma aka,
ekele ya gosịrị ume ala,
ọchị ya dị ka ihe
Nke mụmụwawarị na-enye n'ọchịchịrị.

Abụ a nwere nkebiabụ anọ na ahịrịabụ iri na isii. Nkebiabụ ha niile nwere ahịrịabụ anọ n'otu n'otu. Abụ a bụ abụ otito n'ihi na ode abụ ji abụ ya wee na-eto ọmarịcha nwata nwaanyị ọ hụrụ. Na nkebiabụ nke mbụ, ode abụ gwara anyị maka otu nwata nwaanyị ọ hụrụ nke aha ya bụ Adamma. Ọ gara n'ihu na-ekwu na nwata nwaanyị a bụ Adamma mara mma nke ukwuu ma guzoro kwekem. Ode abụ ji abụ ya wee na-akọwapụta ụdị mma Adamma mara wee na-ekwu na o toro ogologo, ahụ ya na-eme pokopoko, ahịrị isi ya dị yọrịị, mkpịsị

ch). "Atịlọgwụ" Emenike .C. (1986 pg 27)

Egwu ndị Igbo
egwu dị egwu dịazị omimi
egwu na-anaghị agwụ ike nkili
Egwu ụwa dum mara maka ya

Egwu ndị ikolobịa na ụmụ agbọghọ
egwu ike na ndị rijuru afọ
onye ike na-adịghị anaghị agba gị
Ọ bụ gị ka e jiri mara ndị Igbo
I nwere anwansị dị egwu
taa, ekiriena m gị, i ju m afọ
ahụ m na-ama jijiji n'aṅụrị
Obi m na-echekwa oge m g'ịhụ gị ọzọ

Echi, aga m ikili gị ọzọ
mana afọ agaghịkwa iju m ma ọlị
n'ihi na gị bụ egwu dị iche
Egwu dị omimi n'agaghị anwụ anwụ

Abụ a nwere nkebiabụ anọ na ahịrịabụ iri na isii. Nkebiabụ nke ọ bụla nwere ahịrịabụ anọ n'otu n'otu. Abụ a bụ abụ otito n'ihi na ode abụ ji abụ ya wee na-eto egwu ndị Igbo a na-akpọ "Atịlọgwụ". Ode abụ kọwapụtara na atịlọgwụ bụ egwu dị omimi anaghị agwụ ike nkiri bụ nke ụmụokorobịa na-agba n'ihi na ya bụ egwu bụ egwu dị iche nke anaghị eji afọ ikiri ma ọlị.

3.3 Ndịiche Dị n'Etiti Ọdịdị Abụ Otito na Abụ Nkọcha Site n'Abụ Ndị A Họọrọ

a). N'abụ ndị a họọrọ, "*Ọnwa M*", "*Adamma*" na "*Atịlọgwụ*" bụ abụ otito n'ihi na ha na-eto ihe ma ọ bụ mmadụ maka ihe oma ha nwegasịrị. Mana abụ "*iri Ekpe*", "*Meere M Na Ndụ*" na "*Ọchịchị* bụ abụ nkọcha n'ihi na, ha na-akọtọ ajọ ihe niile mmadụ na-eme n'obodo, ụlọ ọrụ, ụlọ, wdg. Iji mee ka e nwee mgbanwe n'obodo.
b). Olu e ji edekarị abụ otito na-abụkarị olu mmasị, nsọpụrụ, na ịdị mma n'ebe eziokwu dị, iji kwalite ma kpalie mmụọ ọgụụ ma ọ bụ onye na-ege ya. Mana abụ ikpe dịgasị N'abụ ndị a họọrọ bụ olu ịkwa emo na mkpari, iji katọọ ajọ ihe ma ọ bụ agwa ọjọọ na-eme n'ọha obodo.
ch). Abụ otito na-elekwasịkarị anya n'isi okwu dị ka; ndị ama ama, ndị Dike, ndị isi, chi, ezigbo mmadụ, ihe e kere eke na ihe e ji egosipụta ihe ọma ma ọ bụ agwa ọma dịgasị iche iche. Mana, abụ ikpe na-elekwasịkarị anya n'isi okwu dị iche iche dị ka; ndọrọndọrọ ọchịchị, iri ekpe, okpukperechi, omume ọjọọ mmadụ na-eme na-adịghị mma nke obodo na-agbarụrụ ihu, wdg.

d). Abụ otito ndị a họọrọ si n'akwụkwọ abụ Akpa Uche, nke R. M. Ekechukwu chịkọtara. Ebe abụ ikpe ndị a họọrọ si n'akwụkwọ abụ Izunwanne nke Ọ. R. Ifeka., Ọ. Nsolibe., na T. Eze Chukwu dere.

4.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, a chịkọtara ọtụtụ ihe gbasara agụmagụ site n'Ịkọwa ọtụtụ ihe ndị Odee, ndị nnyocha agụmagụ na ndị ọkammụta dị iche iche kọwara gbasara agụmagụ. Nwa nchọcha gakwara n'ihu kọwaa ma depụtakwa ọtụtụ ihe ndị odee dịgasị iche iche kwuru banyere ihe abụ pụtara.
Nwa nchọcha gbakwara mbọ inyocha abụ isii ndị a họọrọ n'ime akwụkwọ abụ Izunwanne na Akpa Uche, ma wepụtachaa ihe ndị mebere abụ ndị ahụ. E depụtara ọtụtụ ihe ga-enyere onye ọ bụla chọrọ itule ma ọ bụ inyocha ya nke ọma.
Nwa nchọcha chọpụtara na site n'inyocha abụ isii ndị a họọrọ na ndịiche di n'etiti abụ ikpe na abụ otito ndị a họọrọ, bụ nke gbadoro ụkwụ n'olu asụsụ odee jiri depụta echiche ọ chọrọ izipụta. Ọzọ bụ na abụ otito na-enwekarị olu e ji eto ihe, ihe e kere eke ma ọ bụ mmadụ, na olu na-akpalite obi aṅụrị, ebe olu e ji dee abụ nkọcha ndị a họọrọ na-abụkarị olu arịrị, olu iwe na nke na-ezipụta nkọcha.

4.1 Mmechi

Abụ bụ ihe odide maọbụ ihe ọgụgụ si n'uche mmadụ pụta nke na-emetụta onye nụrụ ya maọbụ onye gụrụ ya na mmụọ. Nchọcha a mere ka aghọta na o nwere ndị tọrọ anya n'ala na-ele ihe na-eme n'obodo nke ndị na-eme ya chere na ha zonahụrụ ndị mmadụ. O mekwara ka nwa nchọcha chọpụta na abụ bụkwa otu ụzọ e si ezipụta nsogbu, ihe ọjọọ na akparamagwa na-adịghị mmao a na-akpa n'ọhaobodo nke ndị mmadụ na-eleghara anya. Ọ bụkwa ụzọ e si agba ajụ omume n'anwụ ka ọha na eze mụrụ akọ. Ọ bụkwa ụzọ e si eto agwa ọma na ihe dị mma. Ọ dịkwa mkpa ka anyị mata na ihe e mere na nchọcha a abụghị e jechaa ọ gwụ, kama ọ bụ iji gbaziere ndị mmadụ n'ezie na abụ dị mfe nghọta ọkachasị mgbe ọgụụ ghọtara ebumnuche odeabụ ji dee abụ ya.

Edensibịa

Akporobaro, F. B. O. (2006). *African oral literature: Backgrounds, character, and continuity*. USA: Princeton Publishing Co.

Andah, B. (1973). *Cultural anthropology*. Ibadan: Shaneson C.I. Ltd.

Ekechukwu, R. M. (1979). *Akpa uche (an anthology of modern Igbo verse)*. Ibadan: University Press.

Ekwealor, C. (2009). *Agụmagụ edereede Igbo*. Lagos: Paschal Communications.

Emenanjọ, E. N. (1973). *Igbo language and culture*. Ibadan: University Press.

Emenanjọ, E. N. (2006). *Igbo maka junior sekọndịrị II*. Ibadan: University Press.

Finnegan, R. (1970). *Oral literature in Africa*. Oxford: Clarendon Press.

Ifeka, O. R. (2009). *Mkpanaka asụsụ Igbo izugbe maka ọmụmụ asụsụ na mahadum*. Onitsha: Top Shelves.

Ifeka, O. R. (2014). *Ibeene*. Onitsha: Perfect Image Publishers.

Ifeka, Ọ. R. (2015). *Agụmagụ na ụdị ya dị iche iche*. Unpublished classroom lecture note, Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Igbariam Campus, Igbariam, Anambra State, Nigeria.

Ifeka, O. R. (2019). *Abụ ikpe: Ịtụle abụ ikpe ụfọdụ dị n'Uche Bụ Afa*. Retrieved February 18, 2024, from https://www.ogooifeka.com.ng

Ifeka, O., Nsolibe, O., & Ezechukwu, T. (2010). *Izunwanne: Anthology of modern Igbo poetry*. Onitsha: Perfect Image.

Nwadike, I. U. (1982). *Agụagafe n'Igbo*. Ihiala: Deo Gratias Publishing.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo (Igbo oral literature)*. Nimo: Rex Charles & Patrick.

Obiechina, E. N. (1990). *Language & theme: Essays on African literature*. USA: Indiana University Press.

Ogbalu, F. C. (1972). *School certificate/GCE Igbo*. Oxford: Oxford University Press.